lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Ezigbo onye Sameria



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: M. Maillot; Lazarus Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

“Onye nkuzi!  Gịnị ka m ga-eme ka m wee nweta ndụ ebighị ebi?”  Nwoke ahụ jụrụ ajụjụ ahụ bụ onye ọkàiwu, na-agbalị ịghọgbu Jizọs.



“Gịnị ka Iwu Chineke kwuru?”  ka Jizọs zara ya.


"Hụ Chineke na onye agbata-obi gị n'anya," ka nwoke ahụ kwuru. "Ma onye bụ onye agbata-obi m?" ka ọ jụrụ.

Iji zaa ajụjụ nwoke ahụ, Jizọs kọrọ akụkọ banyere otu nwoke na-eme njem si Jerusalem na-aga Jeriko.  Ndị ohi wakporo nwoke ahụ n’ụzọ.



Ndị ohi zuuru ihe niile ha hụrụ, ọbụna werekwuo uwe onye-njem ahụ. Ha merụrụ ya ahụ nke ukwuu, hapụ ya n'ọnọdụ ọkara ndụ, ọkara ọnwụ n'akụkụ okporo ụzọ.




Ugbua, na mmapụta, otu onye nchụaja bịarutere. O doro anya na ọ ga-enyere onye ahụ merụrụ ahụ́ aka.


Mba! Mgbe ọ hụrụ na nwoke ahụ na-agba ọbara, ọ gafere n'akụkụ okporo ụzọ nke ọzọ.

N'oge na-adịghị anya, a nụrụ nzọ-ụkwụ nke gosiri na onye ọzọ na-abịaru nso. Ọ bụ onye Livaị - onye na-enyere ndị nchụàjà aka n’ụlọ nsọ. Ọ gara legide onye ahụ merụrụ



ahụ anya,
wee hapụ ya

pụọ n’enweghị enyemaka o nyere.

N’ikpeazụ, otu nwoke Sameria bịara. Ndị Juu kpọrọ ndị Sameria asị. Ndị na-ege akuko Jizọs agaghị atụ anya na onye Sameria ga-abụ dike na nke a.



Ma ọ bụ ya. O meturu Onye Sameria ahụ n’ahụ, o wee kwụsị ka o nyere ya aka.

Onye Sameria ahụ gburu ikpere n’ala, ma jiri nwayọọ tinye ọgwụ na ihe-nkechi n’ọnya onye-ọbịa ahụ.  O wee nyere onye ahụ e merụrụ ahụ́ aka irigote n'ịnyịnya ibu nke ya.



N’otu ebe obibi
dị n’akụkụ ụzọ,
onye Sameria
ahụ lekọtara
nwoke ahụ
n’abalị niile.



N’ụtụtụ ọ kwụrụ onye-nlekọta ahụ ụgwọ ka o lekọta onye-njem ahụ ruo mgbe ahụ́ ga-adịcha ya mma.



Akụkọ ahụ agwụsịwo.  Jizọs wee jụọ sị, “Ònye bụ onye agbata-obi nye onye ahụ e mejọrọ?”





Onye ọka iwu zara sị,
“Onye agbata-obi ya
bụ onye Sameria ahụ
nke meere ya ebere.”

Jizọs wee sị ya, “Jee, mekwa otú a.” Agbata-obi mmadụ bụ onye ọbụla nọ na mkpa. Anyị nwere ike igosi ịhụnanya site n’inyere ndị nọ ná mkpa aka. Nke ahụ na-atọ Chineke ụtọ.



Ezigbo onye Sameria

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Luk Isi nke iri

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.